NIGERIAN IGBO
CATHOLIC COMMUNITY SAN JOSE

# Nigerian Igbo Catholic Community, San Jose

# STATIONS of the CROSS

## UZO NKE OBE

## *2021 Lenten Season*

*Friday March 5th 2021*



# EKPERE MBIDO

## N' aha Nna, Na Nwa, Na Muonso, Amen.

**UKWE MBIDO**

Osiso mmee na obi mwute, n'ogige Getsamani,
Kowara anyi, ka njo anyi, si nyido mkpuruobi gi

*Dinwenu anyi Jesu Kristi, anyi biara n'iru gi*
*Wee cheta afufu gi n'onwu*
*K'iwe mere anyi ebere*

O Jesu, Onye-mgbaputa anyi kwesili ihunanya, lee anyi anya ndi ji ume-ala da n;ukwu Gi na-ario Gi, bu Chukwu, ebere maka onwe anyi, ya na maka ndi niile kwelenu gal'aga. Wedata onwe Gi ka I welu uru ezi-omume niile nke ahuhu Gi, nye anyi. Ka anyi ga eji chigharia uche anyi na ha. Maria di aso, ebe I bulu Nne anyi n'ukwu obe, onye bulu uzo kuzili anyi iso uzo Kalvari, duru anyi n'uzo ahuhu ahu. Welu echiche anyi na aririo anyi nye Ato n'ime otu di Ngozi. Amen.

**Ukwe**
**Christi biko bia na mmadu adighi ike, obu nginwa ga enye mmadu ike nke obi.**
**Bia onye nwe uwa Christi di mma biri n'obi anyi Chukwu, Chukwu. Mee mmadu k'odi mma**



# NKWUSI NKE MBU: A MAA JESU IKPE ONWU

**V. Anyi esekpuoro gi Jesu na-enye gi ekele**
**R. Makana Obe Gi di aso ka iji wee gbaputa uwa**

**V.** Ndi agha kpuoro Jesu gaa n'ihu Pilate si ya na Jesu kwuru aru. O si na ya bu nwa nke Chukwu. Ha gwara ya na iwu obodo kwuru ka e gbuo onye obula nyara udi isi a. Ha mere ka a ga-asi na ha na- ekwuchitere oha obodo onu ha; wee gwa Pilate na Caiaphas na oha obodo na ario ka ha nye ikike ka a kpogbuo Jesu n'obe.

**Ka anyi rio aririo**-Dinwenu Jesu, anyi bu ihere njo anyi niile wee nodu n'ihu gi. O bu njo anyi buteere gi udi nhujuanya a. Ekwela ka anyi kewapu onwe anyi n'ebe I no ozo. Nyere anyi aka n'adighi ike anyi. Gbaghara anyi. Amen

**R.** Jesu m;  Ahuru m gi n'anya karichaa ihe niile. Eji m obi m niile chegharia na mmehie m mehiere gi. Ekwela ka m kewapu onwe m ozo n'ebe ino. Mee ka m hu gi na anya mbge obula. Bia were m mee ihe masiri gi.

**Nna anyi no n'elugwe... Ekene Maria... Otito diri Nna...**

**V.** O Jesu a kpogburu n'obe maka ihi anyi... **R.** Meere anyi ebeere
**V.** Ka mkpuruobi ndi niile kwerenu gara aga... **R.** Site n'ebere nke Chukwu ka ha zuru ike na ndokwa

***Ukwe:*** *Ka Pailet juru, I bu onye Eze*
*Jesu zara ee, a bu m Onye Eze*
*Dinwenu anyi Jesu, na-achi eze n'enigwe, Eze nke ora nile Eze nke Eze*



# NKWUSI NKE ABUO- EBOLU JESUS OBE N'UBU

**V. Anyi esekpuoro gi Jesu na-enye gi ekele**
**R. Makana Obe Gi di aso ka iji wee gbaputa uwa**

**R.** Ndi agha buuru osisi nke obe bo Jesu n'ubu. Obe e boro ya na otutu ahuhu a tagoro ya mere ka mwute ya bawanye. Ha si n'etiti obodo duru ya na-aga ka onye ohi. Lezie onye enweghi ihe ojoo O mere ka e ji ntaramhuhu esodo.

**R. Ka anyi rio aririo**-Dinwenu Jesu; o bu obi ojoo ndi mmadu nke sitere na njo anyi boro naani gi obe ahuhu diri uwa niile. N'ihi mwute na ahuhu juputara na njem nke obe a, Dinwenu, meere anyi ebere. Jiri ihi ebere na obioma gi wuchapu njo anyi niile. Amen

**R. Jesu m**; Ahuru m gi n'anya karichaa ihe niile. Eji m obi m niile chegharia na mmehie m mehiere gi. Ekwela ka m kewapu onwe m ozo n'ebe ino. Mee ka m hu gi na anya mbge obula. Bia were m mee ihe masiri gi.

**Nna anyi no n'elugwe... Ekene Maria... Otito diri Nna...**

V. O Jesu a kpogburu n'obe maka ihi anyi... **R.** Meere anyi ebeere
V. Ka mkpuruobi ndi niile kwerenu gara aga... **R.** Site n'ebere nke Chukwu ka ha zuru ike na ndokwa

***Ukwe:** Chukwu nwwe uwa, Onyenwe uwa niile; Chukwu ga-ekpe Uwa niile ikpe.*
*Adam mere njo, Anyi na-ata ya uta, Ma anyi na-eme njo, Onye na-ata anyi uta?*



# NKWUSI NKE ATO: ADA IZIZI JESU JESU DARA N’OKPURU OBE

**V. Anyi esekpuoro gi Jesu na-enye gi ekele**
**R. Makana Obe Gi di aso ka iji wee gbaputa uwa**

**V.** Udi ike gwuru Jesu mere na O burughi obe ya ebe a ga-ano kpogbu ya. O daa n'ala, obe dakwasi ya. Onye leruru anya ga-ahu na o bughi naani aro obe ka ike ji gwu Jesu. Tupu ndi agha ebo ya obe, ha etirichaala ya ahu, osisoo na obara na-ehu ka mmiri n'ahu ya. Ihe ndi a nyechaara odida ya aka.

**Ka anyi rio aririo**-Dinwenu; si na ndidi I nwere n'oge ahuhu gi a na ihunanya gi di agwuagwu nyere anyi aka icheghari na mmehie anyi niile. Mee ka anyi si na mwute na ahuhu gi nwee aguu ina eme uche gi mgbe niile. Amen

**R. Jesu m**;  Ahuru m gi n'anya karichaa ihe niile. Eji m obi m niile chegharia na mmehie m mehiere gi. Ekwela ka m kewapu onwe m ozo n'ebe ino. Mee ka m hu gi na anya mbge obula. Bia were m mee ihe masiri gi.

**Nna anyi no n'elugwe... Ekene Maria... Otito diri Nna...**

**V.** O Jesu a kpogburu n'obe maka ihi anyi... **R.** Meere anyi ebeere
**V.** Ka mkpuruobi ndi niile kwerenu gara aga... **R.** Site n’ebere nke Chukwu ka ha zuru ike na ndokwa

***Ukwe:*** *M ga ebili laakwuru Nna (ugboro ato) M ga asi ya emehiego m.*



# NKWUSI NKE ANO: JESU EZUTE NNE YA N'UZO

**V. Anyi esekpuoro gi Jesu na-enye gi ekele**
**R. Makana Obe Gi di aso ka iji wee gbaputa uwa**

**V.** Ka ahu niile na-egbuchazi Jesu mgbu, obara na-eruda n'ala; mgbe ndi agha nokwa na-ata ya ahuhu di icheiche, ka O zutere nne ya. Site na mwute na iru uju ka ihu nne ya jiri dizie ka nke nwanyi isimkpe. Nke kasi mwute bu na ndi agha na-adokpu Jesu, ekweghi nne ya rute nso.

**V. Ka anyi rio aririo-** Ezigbo nne Jesu na nne anyi; mwute wutere gi gosiri anyi ka njo anyi ha. Riotara anyi aririo kitaa na oge onwu anyi. Mgbe anyi ga-anwu, duru anyi ka nne dugara nwa gi Jesu, ka O dugara anyi Chukwu Nna. Amen.

**R. Jesu m**; Ahuru m gi n'anya karichaa ihe niile. Eji m obi m niile chegharia na mmehie m mehiere gi. Ekwela ka m kewapu onwe m ozo n'ebe ino. Mee ka m hu gi na anya mbge obula. Bia were m mee ihe masiri gi.

**Nna anyi no n'elugwe... Ekene Maria... Otito diri Nna...**

**V.** O Jesu a kpogburu n'obe maka ihi anyi... **R.** Meere anyi ebeere
**V.** Ka mkpuruobi ndi niile kwerenu gara aga... **R.** Site n'ebere nke Chukwu ka ha zuru ike na ndokwa

*Ukwe: Maria di aso yobala Anyi, K'anyi we fu Jesu n'anya n'ebe okolu na enu obe.*



# NKWUSI NKE ISE- SIMON ENYELU AKA N’IBU OBE

**V. Anyi esekpuoro gi Jesu na-enye gi ekele**
**R. Makana Obe Gi di aso ka iji wee gbaputa uwa**

**V.** Ndi agha jidere Simon onye Cyrene were kwanye ya ka o bulu obe Jesus. Simon buzi onye e ji mezuo ihe akwukwo nso kwuru na “Oburu na ichoro ibu nwaazu m chefuo maka onwe gi, buru obe gi sobe m” (Mk. 8:35).

**V. Ka anyi rio aririo-**Dinwenu; nzute I zutere Simon abughi n'efu. O gosiri na ihunanya gi rutere ndi chere na ahuhu Itara agbasaghi ha. Mee ka obi oma anyi si etu a rute ndi niile I jiri ahuhu gi gbaputa. Amen.

**R. Jesu m**; Ahuru m gi n'anya karichaa ihe niile. Eji m obi m niile chegharia na mmehie m mehiere gi. Ekwela ka m kewapu onwe m ozo n'ebe ino. Mee ka m hu gi na anya mbge obula. Bia were m mee ihe masiri gi.

**Nna anyi no n'elugwe... Ekene Maria... Otito diri Nna...**

**V.** O Jesu a kpogburu n'obe maka ihi anyi... **R.** Meere anyi ebeere
**V.** Ka mkpuruobi ndi niile kwerenu gara aga... **R.** Site n’ebere nke Chukwu ka ha zuru ike na ndokwa

***Ukwe: Ihe obula imeere otu onye n’umu nna mu, mu k’imere ya (2x)***



# NKWUSI NKE ISII- VERONICA EHICHA JESU IHU

**V. Anyi esekpuoro gi Jesu na-enye gi ekele**
**R. Makana Obe Gi di aso ka iji wee gbaputa uwa**

**V.** Mgbe Veronica huru ka osisoo na obara si eruchisi Jesu imi na onu, o wutere ya nke ukwu. O bia mee ka obi sie ya ike ofuma, nke na o tuzighi egwu ndi agha dokpu Jesu na-aga. O zowara ije n'etiti ha, jiri ichafu ya hichaa Jesu ihu. Mgbe o hichasiri ihu Jesu, o hu na ihu Jesu ebiela na ichafu ahu.

**V. Ka anyi rio aririo-** Dinwenu Jesu; Ina-egosi anyi mgbe niile na I biri akara gi di aso n'ime anyi site na grasia na-edo aso na oru itunanya Ina-aru na ndu anyi oge niile. Biko, anyi na-ario ka inogide n'ime anyi oge niile. Amen

**R. Jesu m**; Ahuru m gi n'anya karichaa ihe niile. Eji m obi m niile chegharia na mmehie m mehiere gi. Ekwela ka m kewapu onwe m ozo n'ebe ino. Mee ka m hu gi na anya mbge obula. Bia were m mee ihe masiri gi.

**Nna anyi no n'elugwe... Ekene Maria... Otito diri Nna...**

**V.** O Jesu a kpogburu n'obe maka ihi anyi... **R.** Meere anyi ebeere
**V.** Ka mkpuruobi ndi niile kwerenu gara aga... **R.** Site n'ebere ka ha zuru ike na ndokwa

*Ukwe: Jesu ncheta I na-asoka; Bu anuri ndi no na enu uwa; Ma mgbe Jesu ji kwudebe; Nya bu ihe kasi ihe ihe nile. Jesu ncheta I na-asoka, Jesu ncheta I na-asoka, Jesu ncheta I na-asoka.*

# NKWUSI NKE ASAA: JESU ADAA NKE UGBORO ABUO



**V. Anyi esekpuoro gi Jesu na-enye gi ekele**
**R. Makana Obe Gi di aso ka iji wee gbaputa uwa**

**V.** Ada nke abuo Jesu dara abuzighi maka ibu aru nke obe, ebe o bu na Simon enyerela ya aka ibu obe. Kama o bu ada onye ike gwuru. Ma na ndi agha añaghi nti. Ha na-agba ya ukwu, na-apia ya utari ebe ahu O dara n'ala.

**V. Ka anyi rio aririo-** Ezigbo Jesu, o na-ewute anyi nke ukwuu na anyi na-ebutere gi mmekpa ahu. Anyi emejoola gi otutu ebe di icheiche na ndu anyi. Biko, kpolite n'ime anyi mmuo siri ike nke anyi ga-eji na-ebi ezi ndu ndi otu Kristi. Amen

**R. Jesu m**; Ahuru m gi n'anya karichaa ihe niile. Eji m obi m niile chegharia na mmehie m mehiere gi. Ekwela ka m kewapu onwe m ozo n'ebe ino. Mee ka m hu gi na anya mbge obula. Bia were m mee ihe masiri gi.

**Nna anyi no n'elugwe... Ekene Maria... Otito diri Nna...**

**V.** O Jesu a kpogburu n'obe maka ihi anyi... **R.** Meere anyi ebeere
**V.** Ka mkpuruobi ndi niile kwerenu gara aga... **R.** Site n'ebere nke Chukwu ka ha zuru ike na ndokwa

***Ukwe:* *Obu onye ga adirim ka Kristi onye nwem, Kristi mooh Kuzierem uzo nke enigwe Kristi mooh.***



# NKWUSI NKE ASATO: JESU AKASIE UMUNWANYI JERUSALEM OBI

**V. Anyi esekpuoro gi Jesu na-enye gi ekele**
**R. Makana Obe Gi di aso ka iji wee gbaputa uwa**

Igwe mmadu na-eso Jesu. Umunwanyi na-eru uru, na-ebe akwa, sokwa na-aga (Lk. 23:27). Akwa ha wutere Jesu, mana o nyekwara ya agbamume na ntasiobi. O tugharia lee ha anya si ha, “umunwanyi Jerusalem, unu ebezinalu m akwa, kama beberenu onwe unu na umu unu akwa.

**Ka anyi rio aririo-** Dinwenu; ikpara agwa dika onye nkuzi, nnaukwu na onye nkwusa ozioma nke nzoputa, makana I kweghi ka ochicho nke onwe gi gbochie ozi Nna ziri gi. I ji ohere a gozie umunwanyi na- eru uju. Anyammiri ha dika onyinye obi ebere n'ebe ino mgbe ahuhu zuru gi ahu. Biko, nye anyi ike ka anyi na-ezere njo oge niile. Amen.

**Jesu m**; Ahuru m gi n'anya karichaa ihe niile. Eji m obi m niile chegharia na mmehie m mehiere gi. Ekwela ka m kewapu onwe m ozo n'ebe ino. Mee ka m hu gi na anya mbge obula. Bia were m mee ihe masiri gi.

**Nna anyi no n'elugwe... Ekene Maria... Otito diri Nna...**

**V.** O Jesu a kpogburu n'obe maka ihi anyi... **R.** Meere anyi ebeere
**V.** Ka mkpuruobi ndi niile kwerenu gara aga... **R.** Site n’ebere nke Chukwu ka ha zuru ike na ndokwa

*Ukwe: Bianu soro m be akwa nwoge. Lee Maria ka o na-akpo anyi. Zukobanu ka anyi be akwa. Akpogburu Jesu Nna anyi.*



# NKWUSI NKE ITENNANI- JESU ADAA NKE UGBORO ATO

**V. Anyi esekpuoro gi Jesu na-enye gi ekele**
**R. Makana Obe Gi di aso ka iji wee gbaputa uwa**

Na njem, anyi ji ekpere soro Jesu aga Kalvari, anyi ahula ebe Jesu dara ugboro abuo. Ugbua O daala nke ato. Uche na-echezi ochiagha du Jesu aga ma Jesu oga-jerunwukwa ebe ha ga akpogbu ya n'obe.


**Ka anyi rio aririo-** Jesu m, mgbaputa, ikpa udo, mgbanwe, na idi ocha nke mmuo adighi mfe. O tara isi gi iji wetara anyi ha. Nyere anyi aka iji obi di ocha na-eto gi maka aja-onwe ichuru maka nzoputa anyi. Amen

**Jesu m**; Ahuru m gi n'anya karichaa ihe niile. Eji m obi m niile chegharia na mmehie m mehiere gi. Ekwela ka m kewapu onwe m ozo n'ebe ino. Mee ka m hu gi na anya mbge obula. Bia were m mee ihe masiri gi.

**Nna anyi no n'elugwe... Ekene Maria... Otito diri Nna...**

**V.** O Jesu a kpogburu n'obe maka ihi anyi... **R.** Meere anyi ebeere
**V.** Ka mkpuruobi ndi niile kwerenu gara aga... **R.** Site n'ebere Nke Chukwu ka ha zuru ike na ndokwa

*Ukwe: Hulata, bia nyere m aka Dinwenu, Dinwenu were oso bia za mu o, bia za mu o Chukwu*



# NKWUSI NKE IRI: ATONALU JESU AKWA YA

**V. Anyi esekpuoro gi Jesu na-enye gi ekele**
**R. Makana Obe Gi di aso ka iji wee gbaputa uwa**

Ndi agha gbara Jesu oto tupu ha akpogbuo ya n'obe. Ha yipuru ya akwa ya niile ka ha kesaara onwe ha. Jesu ka kwu n'ihe ihere di otu a ha malite ife nza onye ga-eketa uwe mwuda ya nke ha enweghi ike ikewa ekewa.

**Ka anyi rio aririo-** Dinwenu, kedu udi ihunanya di nke a; ihunanya buteere gi ahuhu, mkpari, uru na mkpagbu di otu a. Gbaghara anyi njo anyi niile ka anyi nwee ike idi ocha n'ihu Gi. Amen.

**Jesu m**;  Ahuru m gi n'anya karichaa ihe niile. Eji m obi m niile chegharia na mmehie m mehiere gi. Ekwela ka m kewapu onwe m ozo n'ebe ino. Mee ka m hu gi na anya mbge obula. Bia were m mee ihe masiri gi.

**Nna anyi no n'elugwe... Ekene Maria... Otito diri Nna...**

**V.** O Jesu a kpogburu n'obe maka ihi anyi... **R.** Meere anyi ebeere
**V.** Ka mkpuruobi ndi niile kwerenu gara aga... **R.** Site n'ebere Nke Chukwu ka ha zuru ike na ndokwa

***Ukwe: Ngi Jesu bu ndu nke anyi, ngi Jesu bu ndu nke anyi burukwazi ihunanya, ihunanya, nyekwa anyi niile ike nke obi nyekwazi anyi ike nke ahu.***



# NKWUSI NKE IRI NA OTU- AKPODO JESU N’OBE

**V. Anyi esekpuoro gi Jesu na-enye gi ekele**
**R. Makana Obe Gi di aso ka iji wee gbaputa uwa**

Ndi agha nyibere Jesu n'obe setia ya aka na ukwu. Ha bu uzo kpoo ya ntu n'aka abuo were chikota ya ukwu abuo onu jirikwa nnukwu ntu kpogide ha n'osisi obe ahu.

**Ka anyi rio aririo-** Ezigbo Dinwenu; etu e esi kobe ndu gi n'obe ka e si kobe mkpuruobi anyi. Uzo ihe abuo bu ihe chere anyi: nzoputa maobu ndafu; eluigwe maobu okummuo. Chukwu onye ebere, ekwekwala ka anyi daba n'okummuo. Amen.

**Jesu m**; Ahuru m gi n'anya karichaa ihe niile. Eji m obi m niile chegharia na mmehie m mehiere gi. Ekwela ka m kewapu onwe m ozo n'ebe ino. Mee ka m hu gi na anya mbge obula. Bia were m mee ihe masiri gi.

**Nna anyi no n'elugwe... Ekene Maria... Otito diri Nna...**

**V.** O Jesu a kpogburu n'obe maka ihi anyi... **R.** Meere anyi ebeere
**V.** Ka mkpuruobi ndi niile kwerenu gara aga... **R.** Site n’ebere nke Chukwu ka ha zuru ike na ndokwa

*Ukwe: Unu bu ndi no n’elu uwa. Nime ahuhu na mkpa. Mgbe nchekwube ji beneta. Ekpo obi wute unu. Chorus: Werenu anya na-ele Jesu, N’ebe O koro n’obe. Ogbasara unu aka. Ka O were nara unu.*



# NKWUSI NKE IRI NA ABUO- JESU ANWUO N’ELU OBE

**V. Anyi esekpuoro gi Jesu na-enye gi ekele**
**R. Makana Obe Gi di aso ka iji wee gbaputa uwa**

Jesu tara ahuhu di egwu bido n'ihe dika elekere iri na abuo nke ehihie e ji kpodo ya n'obe ruo n'ihe dika elekere ato nke ehihie mgbe onwuru. O gbaghalu ndi niile gburu ya kpodo ya n’obe. O runatala isi ya, KUBEE (Chetu obere oge-Ukwe)

**Ka anyi rio aririo-** O Chukwu, oburu na inyochaba ajo omume anyi, onweghi onye ga-adi mma n’ihu gi. Nye anyi ike iji na agbaghalu ndi niile megidere anyi. Biko, site n’ebere na obioma gi, mee ka onwu gi wetara anyi nzoputa ebebe. Amen.

**Jesu m**; Ahuru m gi n'anya karichaa ihe niile. Eji m obi m niile chegharia na mmehie m mehiere gi. Ekwela ka m kewapu onwe m ozo n'ebe ino. Mee ka m hu gi na anya mbge obula. Bia were m mee ihe masiri gi.

**Nna anyi no n'elugwe... Ekene Maria... Otito diri Nna...**

V. O Jesu a kpogburu n'obe maka ihi anyi... Meere anyi ebeere
V. Ka mkpuruobi ndi niile kwerenu gara aga... Site n’ebere nke Chukwu ka ha zuru ike na ndokwa

***Ukwe: Onwu ya n’obe x3***
***Obu ya wetara anyi olile anya***



# NKWUSI NKE IRI NA ATO: E BUTUE AHU JESU N’OBE

**V. Anyi esekpuoro gi Jesu na-enye gi ekele**
**R. Makana Obe Gi di aso ka iji wee gbaputa uwa**

Joseph onye Arimatia gara nata ikike n’aka Pilate ka oburu ozu Jesu ga lie. O nwere iliozu akwadoburu ebe a ga-eli ya onwe ya. Iliozu ahu di nso ebe ahu a kpogburu Jesu. Na ya ka ochoziri ili Jesu. Mgbe a gwara Pilate na Jesu anwuola, o nabatara aririo Joseph. Nichodemus nyeere Joseph aka ha buru ozu Jesu ga lie.

**Ka anyi rio aririo-** Nne Jesu, Maria di aso, kenye anyi oke ebere iji n’oge ahuhu nke Nwa gi. Yotara anyi n’ebe Nwa gi no oge niile mgbaghara nke njo. Na adighi ike anyi burukwa nne anyi. Amen

**Jesu m**; Ahuru m gi n'anya karichaa ihe niile. Eji m obi m niile chegharia na mmehie m mehiere gi. Ekwela ka m kewapu onwe m ozo n'ebe ino. Mee ka m hu gi na anya mbge obula. Bia were m mee ihe masiri gi.

**Nna anyi no n'elugwe... Ekene Maria... Otito diri Nna...**

**V.** O Jesu a kpogburu n'obe maka ihi anyi... **R.** Meere anyi ebeere
**V.** Ka mkpuruobi ndi niile kwerenu gara aga... **R.** Site n’ebere nke Chukwu ka ha zuru ike na ndokwa

*Ukwe: Okworom nwuo n’obe, Okworom nwuo*
*Eze Jesus kworom nwuo n’obe , Okworom nwuo oh*



# NKWUSI NKE IRI NA ANO: A DONYE JESU N'IME ILI

**V. Anyi esekpuoro gi Jesu na-enye gi ekele**
**R. Makana Obe Gi di aso ka iji wee gbaputa uwa**

Ndi enyi na ndi na-eso uzo Jesu buuru ahu Jesu gaba n'ili Joseph nke Arimathia. Nichodemus gwakoro mmanu isioma na ude a ga-ete Jesu. Mgbe ha dozichara ahu Jesu, ha ji ugwu na nsopuru were akwa ocha na-enwu ocha kechie ya ahu ya niile (Jn 19:38-40); jiri nwayo lie ya. Ebe ahu ka ahu Jesu noo wee rue mgbe oga esi n'onwu kulie.

**Ka anyi rio aririo-** Jesu nke anyi, anyi na ario ka anyi nwee ike ihu gi ihu-na-ihu mgbe iga abia ozo n'ebube Gi. Mgbe ndu anyi nke uwa gachara, nyere anyi aka ka anyi soro Gi bili na ndu ebebe n'eluigwe. Amen

**Jesu m**; Ahuru m gi n'anya karichaa ihe niile. Eji m obi m niile chegharia na mmehie m mehiere gi. Ekwela ka m kewapu onwe m ozo n'ebe ino. Mee ka m hu gi na anya mbge obula. Bia were m mee ihe masiri gi.

**Nna anyi no n'elugwe... Ekene Maria... Otito diri Nna...**

V. O Jesu a kpogburu n'obe maka ihi anyi... Meere anyi ebeere
V. Ka mkpuruobi ndi niile kwerenu gara aga... Site n'ebere nke Chukwu ka ha zuru ike na ndokwa

***Ukwe:** Lee ma-nya Leem anya na-mkpuru obi : A tu-kwasaram Gi obi, Chineke, A-tu-kwasaram Gi obi oge ni-le. Oge nile m no n'uwa O Chineke.*

# ARIRIO N'IHU ALTAR

**V.** Dinwenu anyi rubere isi garuo n'onwu
**R.** Onwu n'elu Obe

## Ka Anyi Rio Aririo

Dinwenu na onye nzoputa anyi; Eze nke udo na nke mba niile; Ekele diri gi n'ihi na I kweghi ka onwu merie gi maobu merie anyi. Ekele diri gi n'ihi na imeghi ka anyi na-ahu gi ka ajo mmadu a kpogburu n'obe, onye ndi mmadu gburu n'ihi akpomasi maobu aru o mere. Ekele diri gi na I gosiri anyi onwe gi dika Chukwu di ndu.

Amen.

# EKPERE MMECHI

Maka Izuzu Pope na Nzuko Nso Katolik:

**Nna anyi no n'eluigwe ... Ekene Maria … Otito diri Nna...**

V. O Jesu a kpogburu n'obe maka ihi anyi... Meere anyi ebeere
V. Ka mkpuruobi ndi niile kwerenu gara aga... Site n'ebere nke Chukwu ka ha zuru ike na ndokwa
**Ngozi:**

**Ukwe Mmechi:**

**1.** Obi nso Maria, kasi ihunanya
Anyi na ndi muo-oma kene I nekwe

*Chorus: Ave Ave Ave Maria*

2. Were Obi ebere O nne nke gratia
Na-enekwasi anya na nkpa nk'umu I.

*This version of the Stations of the Cross was adapted from the version written by Fr. Reuben Nwankwo*